ÉKWÉ JỌNAL NKE NDỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA
Volume 14 No 2, May, 2021. ISSN: 2476-8448

# Ndị Igbo na Nkwalite Asụsụ Igbo

Nke si n'aka

**Ndubuisi Ahamefula**
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijiria ndị ọzọ,
Mahadum Naijiria, Nsụka
ndubuisi.ahamefula@unn.edu.ng, 08060835212

na

**Chinwe Nwaudu. Udechukwu**
Ngalaba Ọmụmụ Izugbe,
Mahadum Naijiria, Alaka dị n'Enugwu
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijiria ndị ọzọ,
Mahadum Naijiria, Nsụka
chinwe.udechukwu@unn.edu.ng

## Umịedemede

Nsogbu asụsụ Igbo na-enwe si n'aka ndi Igbo n'onwe ha. Anyị ga-asa ajụjụ ọ bụla gbasara ihe mere asụsụ Igbo. Akwụkwọ a na-atụle ihe na-ebute ọdịda ma ọ bụ ọnwụ asụsụ Igbo. Ọ na-atụlekwa ihe ndị anyị kwesiri ime ka asụsụ Igbo nweta ọnọdụ kwesiri ya na Naijirịa nakwa na mba ụwa niile n'ihi na ndị Igbo anaghi eti mmanwụ a na-akwa aka. Nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Anyị kwesịrị ime asụsụ Igbo anyị a ka ọ bụrụ a kwaa a kwụrụ. Nke a ga-ebido n' ezinaụlọ na ogbe ndị Igbo niile, gawa n'ụlọụka, ọmaahịa, ụlọakwụkwọ, ụlọikpe, ụlọ mbipụta akwụkwọ, ụlọ ndị omeiwu, ụlọọrụ ga nke gụnyere ụlọ mgbasa ozi dị iche iche na ụlọọrụ gọọmentị dị iche iche: O doro anya na anyị kwesịrị ịgba mbọ mee ka asụsụ Igbo kwụrụ chịm. Akwụkwọ a ga-atụlekwa ọnọdụ Igbo n'ebe ọ gbasara igwe kọmputa, ekwentị mkpanaaka na ọwaikuku nntanetị. Nkebi ndị dị n'akwụkwọ a gụnyere ndubata, asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche, asụsụ Igbo n'ezinaụlọ ndị Igbo, asụsụ Igbo n'aha

ndị Igbo, asụsụ Igbo n'edemede, asụsụ Igbo n'usoro odide Igbo, asụsụ Igbo na mgbasa akụkọ, asụsụ Igbo n'ekwentị mkpanaaka na nchịkọta.

**Ndubata**

Tupu anyị ekwuwe okwu gbasara ọnọdụ ndị Igbo nyere asụsu Igbo, anyị ga-ebu ụzọ jụọ onwe anyị ajụjụ n'otu n'otu, kedụ asụsụ anyị na-asụ n'ezinaụlọ anyị ya bụ nke anyị na nwunye anyị ụmụ amyị ma ọ bụ ndị ikwu na ibe na-asụ ya bụ nke anyị ji akparịta ụka. Ajụjụ ndị ọzọ bụ: Kedụ ebe mmasị anyị dị mgbe anyị na-atụle ihe ụmụ anyị ma ọ bụ ndị ikwu na ibe anyị na ha bi n'ụlọ metere n'ụlọ akwụkwọ ha dị iche iche? Mgbe anyị na-ekpe ekere, kedụ asụsụ anyị ji ekpe ya? Kedụ asụsụ anyị ji edere enyi anyị ma ọ bụ nwanne anyị ozi mgbe anyị bịara nleta ya bụrụ na ha anọghị ya?

Kedụ asụsụ anyị ji ede ihe n'ọwa ikuku dị ka mgbe anyị na-akparịta ụka n'ọ wa facebook ma ọ bụ ọwa ndị ọzọ dị iche iche. N'ịga n'ihu n'ajụjụ anyị, kedụ asụsụ amyị na-asụ ma anyị bịa ọgbakọ mmụta asụsụ Igbo ma ọ bụ mgbe anyị na-eme ọgbakọ ndị obodo anyị dị iche iche? ọ zọ , onye ọ bụla jụọ onwe ya asụsụ o ji eche echiche ma ọ bụ nke o ji arọ nrọ Kedụ ụdị egwu ị na-egerewe? Mgbe ị na-achọ ibupụta akwụkwọ dị iche iche, kedụ asụsụ na-amasịkarị gị iji mee nke a? Ọ bụ Bekee, Fụrench ka ọ bụ Igbo? Ị zachaa ajụjụ ndị a, zaa ajụjụ ihe gbasara oche ndị Igbo nyere asụsụ ha.

Eziokwu dị ya bụ na asụsụ Igbo na-anwụ anwụ. Ọ na-anwụ n'ike n'ike. Ọtụtụ ụmụaka Igbo anaghị asụzi asụsụ Igbo. Na mgbe adịghị anya, ọ bụrụ na anyị akwalịteghị Igbo, o nwere ike ịnwụ pịị. Dị ka o si dị ugbu a, ọtụtụ na-eche na Igbo anwụọla. Ọnụkawa (2011:2) tara ụkwa jaa eze ma bekwa akwa arịrị banyere ọnwụ asụsụ Igbo na-achọ inwụ ma kwuo sị na e mee ngwa ngwa e meghara ọdachi.

**Asụsụ Igbo n'ụlọ Akwụkwọ dị iche iche.**

Otu a ka ọ dịkwa na nke ndị ọtaakara. Ọ bụghị ụbọchị

niile ka a na-akụzi asụsụ Igbo ma a na-akụzi Asụsụ Bekee kwa ụbọchị ọ bụladị n'ala Igbo, ala ndị nwe asụsụ a. ọ dịghị anya mgbe e bidoro manyewe ụmụ akwụkwọ ndị sekọndịrị niile n'ala Igbo ka ha mụwa Asụsụ Igbo ma lekwaa ya n'ule WASKỊ. Na mbụ naanị Asụsụ Bekee bụ nke onye ọ bụla ga-emerịrị. Otu ihe kwesiri ka e leba ya anya bụ ịchọ Asụsụ Bekee n'aka ụmụ akwụkwọ ndị na-achọ ịba mahadum ka ha mụta Asụsụ Igbo. O kweghị nghọta ka Asụsụ Bekee si bụrụ otu ihe a chọrọ n'aka ụmụ akwụkwọ chọrọ ịmụ Igbo. Ihe ọzọ na-agba anya mmiri banyere agwa anyị bụ ndị Igbo na-akpaso asụsụ anyị bụ na a bia n'ụlọ akwụkwọ ụfọdụ anaghị ekwe ụmụaka sụọ Igbo na klaasi ha. Ihe ọzọ ekweghị nghọta bụ na anyị enweghị ụlọ ọpụrụ iche maka Asụsụ na Omenaala Igbo na Mahadum ụfọdụ dị n'ala Igbo nke Mahadum Nsụka bụ otu n'ime ha n'abụghị na e bidoro n'afọ 2011 kpebie na a ga-ehiwe otu na Nsụka. Kedụ ihe ha na-eme kamgbe? Ọnọdụ ọzọ dị mwute anyị nyere Igbo bụ na a gbabeghị mbọ tinye asụsụ Igbo n'ime otu ihe ọmụmụ ozuru mahadum ọnụ, ya bụ General Studies. Ọ dị mkpa ka nwa akwụkwọ ọ bụla batara mahadum ọ bụla dị n'ala Igbo nwe ohere pụrụ iche ịmụ Asụsụ Igbo na Omenaala.

Tupu anyị esi na nkebi akwụkwọ a pụọ, ọ dị ihe na-ewute m nke ukwuu m chọrọ irụtụ aka. Na mgbe adịbeghị anya, ahụrụ m otu akwụkwọ akpọmoku nke si n'aka ndi Fullbright Scholarship Programme dị n'Amerika ndị na-ahụ maka mgbanwerịta ndị nkụzi n'etiti ndị Naịjirịa na ndị Amerịka. N'akwụkwọ a, ha nyere ndị nkụzi mahadum niile dị na Naịjirịa ohere ọma ịga Amerịka kuzie asụsụ Naịjirịa ma werekwa ohere ahụ mụọ ka e si akụzi asụsụ Bekee. Ma otu ihe dị m oke mwute bụ na Igbo esoghị n'asụsụ ndị e depụtara ebe ahụ. Naanị asụsụ dị ya bụ Awụsa na Yoruba. N'Oẋford Advanced Learner's Dictionary 7th edition, a kọwara Igbo dị ka asụsụ a na-asụ na mpaghara ọwụwa anyanwụ Naịjirịa, kọwaa Awụsa dị ka asụsụ ndị Awụsa nọ n'Afrịka, nke a na-asụzi bụrụ ugbu a na Naịjirịa na mba Africa ndị ọzọ dị ka asụsụ mmekọrị ta nye ọtụtụ ndị

Volume 14 No 2, May, 2021. ISSN: 2476-8448

mmadụ si mba dị iche iche. Ha kọwara Yoruba dị ka asụsụ ndị Yoruba bi n'Afrịka, nke buzi asụsụ gọọmenti họpụtara (official language). Ọ di mwute etu e si bulie asụsụ ndị ọzọ elu ma budaa asụsụ Igbo ala site n'ụdị nkọwa e nyere ya ebe a. E wee na-ajụ, kedụ mgbe ọ bụ Naanị asụsụ Yoruba ka ndị gọọmenti họpụtara? Kedụ ka nke a si feba ha na ntị? E leghị anya, ọ bụrụ o sitere ka ndị Yoruba si ebuli asụsụ ha elu.

## Asụsụ Igbo na Ezinaụlọ ndị Igbo.

Ọ dị ezigbo mwute na ndị nne na nna anaghị asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo ma ọ bụ nabata ka ụmụ ha na-eji asụsụ Igbo akparịta ụka n'etiti ibe ha. Ha na-eche na nke a ga-agbarụ nghọta ha nwere n'Asụsụ Igbo. Naanị ekele Bekee ka ụmụaka maazi bụrụ ugbu a. Mgbe ụfọdụ, ihe a na-ahụta bụ ịsụọrọ ụmụaka Igbo ha ewere Bekee zaghachi gị. Ndị nne na nna na-anọrọ n'akụkụ na-asị, "ụmụ m na-anụ Igbo ma ha anaghị asụ asụ"

## Asụsụ Igbo na Aha ndị Igbo

Ihe anyị na-ahụ bụrụ ugbu a bụ ndị Igbo iji aka ha emebisi ezi aha ha ebe ha na-achọ ka aha ha dị ka nke ndị Bekee. Onye na-aza Ikechukwu ga-asị ka a kpọwazie ya IK ma ọ bụ Iyke. Otu a ka ọ dịkwa n'otụtụ aha Igbo ndị ọzọ dị ka e si depụta ha ebe a.

| Ezi Aha Igbo | Ngwakọrịta Aha Igbo na Bekee |
|---|---|
| Chukwuemeka | Chuks, Emmy, Mekus |
| Obinna | Obaino, |
| Akachukwu | Aka God |
| Chiọma | Chayọ ma, ChyChy |
| Chinyere, Chiọma | ChyChy |
| Uchenna | UC, Ucheson |
| Ndụ bụ isi | ND |
| Ngọ zi | NG |
| Tochukwu | To God |
| Ucheọ ma | Uchefine |

Volume 14 No 2, May, 2021. ISSN: 2476-8448

| | |
|---|---|
| Nweke | Ekeson |
| Izuchukwu | Izu God |

**Asụsụ Igbo na Edemede**

Anyị nwere ọtụtụ ụmụafọ Igbo a na-anụ aha ha n'ihe gbasara edemede, ndị gụnyere Chinua Achebe, Cyprian Ekwensi, Ọnụọra Nzekwu w.d.g. Ha dere akwụkwọ ha n'Asụsụ Bekee. Na mgbe gara aga, ọ dị mgbe echiche anyị bụ na ndị Igbo enweghị ike iji asụsụ ha depụta akwụkwọ dị iche iche n'ọkacha mma iji asụsụ ndị ọcha dị ka Bekee, Furenchị na ndị ọzọ depụta akwụkwọ. Bodomo (2011:2), ụgụrụ (2007:103), Agbedo (2007) na-ekwu na nke a abụghi eziokwu n'ihi na anyị nwere ike iji asụsụ anyị mee ihe ọ bụla anyị chọrọ. ọ dị mma ikwu ebe a, n'ebe akwụkwọ ndị ahụ ndị be anyị dere na Bekee bụ ọtụtụ ihe dị mkpa nye anyị dị ka ndị isi ojii na ọ ga-adị mkpa ịtụgharị ha n'Igbo. Nke a bụ ịmaaka nye ndị ọkammụta n'asụsụ Igbo. Ọhaegbu (2010:4) na-akpọku ndị ọkammụta Igbo ka ha leba anya n'ihe gbasara usoro odide a na-ahụta n'edemede Igbo maka inweta otu ụzọ mmadụ niile kwekọrịtara e ji ede Igbo.

**Asụsụ Igbo na Usoro Odide Igbo**

E wezuga ngwakọrịta nkwurunọnụ, n'ebe ọ gbasara odide Igbo, anyị nwere ngwakọrịta ndị si n'aka ndị Bekee bịara anyị nke ndị anyị enwebeghị ike gbanwe ruo taa. Eze (2011) na-ekwu na ọ bụ mgbe ọ rara ndị Bekee ahụ ide ma ọ bụ ịkpọpụta ụfọdụ okwu ka ha ji gbanwe ha. Nke kachasị njọ bụrụ aha anyị, Igbo, ha gbanwere dewe ya Ibo. Oẋford Advanced Learner's Dictionary 7th edition dere 'Ibo' dekwa 'Igbo' na nkowa ha. Ndehie ndị ọzọ bụ ndị a:

| | |
|---|---|
| Ọka | Awka |
| Enugwu | Enugu |
| Owere | Owerri |
| Ọkụzụ | Awkuzu |
| Ọkụnanọ | Awkunawnaw |

Volume 14 No 2, May, 2021. ISSN: 2476-8448

| | |
|---|---|
| Amaọbịa | Amawbia |
| Ọnịcha | Onitsha |
| Ọgwụ | Awgu |

Ohaegbu (2010:4) rụtụkwara aka na ndehie ụfọdụ a na-ahụta n'odide Igbo.

| | | |
|---|---|---|
| Ujatonu | kama ide | Ụjọatụọnụ |
| Okwor | kama ide | Ọkwọ |
| Chimah | kama ide | Chima |
| Uzamaka | kama ide | Ụzọamaka |

Recommendation nke si n'aka Otu Ikwalite Asụsụ na Omenaala. Igbo (OIAOI) sị ka e de ndị a iche iche:

Ọsọ ọsọ (quickly)

Ngwa ngwa (hurriedly)

Mma mma (very well)

Ewu ewu (foolishly)

Ma dekọta ndị a ọnụ:

Ngwongwo (all sorts of things)

Nganga (tiny)

ọsịịsọ (quickly)

**Asusu Igbo na Mgbasa Akuko**

Ọ dị oke mwute na e nwere BBC Hausa, BBC Yoruba,VOA Hausa ma ọ dịghị nke ndị Igbo chịtara. Ma BBC ma VOA ọ dịghị nke anyị nwere. Ejiọfọ (2011) na-eme ka anyị ghọta na redio ndị Chaịna na nke Fransi nwere mgbasa ozi n'asụsụ Awụsa na Yoruba ma ha enweghị n'Igbo. Ọzọ, oge a na-enye asụsụ Igbo n'ụlọ mgbasa ozi n'ala anyị ejuchazighị afọ. Ohere a na-enye Bekee karịrị nke a na-enye Igbo. Ntụgharị akụkọ ụwa n'Igbo erijughi afọ n'ihi na ọ bụghị ihe niile a gụrụ na Bekee ka a na-agụpụta n'Igbo. Ihe ọzọ dị oke mkpa bụ inwe akwụkwọ mgbasa ozi (Newspaper) nke ga na-apụtakwa mgbe dị ka ndị e dere n'asụsụ Bekee si apụta.

**Asụsụ Igbo na Ekwentị Mkpanaka (GSM)**

Anyị ga-eweliiri ndị Nokịa aka elu, nye ha ekele pụrụ iche maka itinye mkpụrụ edemede Igbo na ekwentị aka ha. Onye gote ekwentị ha, o were aka ya họrọ Asụsụ Igbo dị ka nke o ga na-eji eziga ozi ederede n'owa telefon. Ndị Starcom bụkwa ndị tinyere okwu Igbo n'ekwentị mkpanaka ha. Ha mere ya ka a na-egere ngụpụta Baịbụlụ n'Igbo maka onye chọrọ ya. Ọtụtụ ndị ụlọọrụ GSM dị ka MTN na-enyekwa onye ọ bụla chọrọ ohere ịhọrọ Igbo dị ka Asụsụ ya karịcha mgbe ị na-acho ịmata ihe ụfọdụ gbasara ekwentị mkpanaka. A bịa n'ebe ọ gbasara ọwa ntaneti, anyị na-enye ndị Google ekele ebe ha nwere ike itinye Igbo dị ka otu asụsụ mmadụ nwere ike iji mee nchọcha na ọwa ntaneti ha.

**Nchịkọta**

Ịchekwa Asụsụ Igbo dị oke mkpa. Ihe dị mkpa bụ ka onye ọ bụla sụwa Igbo, ma dewe Igbo. Onye hụ nwanne ya, ya jụọ ya, "Ị na-asụkwa Igbo". N'otu ihe ngụpụta n'ọgbakọ ndị Mahadum Uyo mere na-ekwu sị:

Egbula asụsụ nna gị. Sụwa asụsụ nna gị nyere onye ọ bụla nọ gị n'obi. Mee ka ọ bụrụ asụsụ mbụ nye ndị ọgbọ na-abịa n'ihu. Ị bụrụ di, sụwara nwunye gị na ụmụ gị. Inyefe asụsụ gị n'aka ọgbọ ndị na-abịa n'ihu ọ ga-abụ asụsụ ga-adịgịde. ọkụ ya si n'aka gị nyụọ asụsụ gị abụrụ ihe ga-anwụ anwụ site n'aka gị. Ekwela ka asụsụ Igbo site n'aka gị nwụọ. Kama chọọ ihe ị ga-eme ka e wulite asụsụ Igbo. Oku iwulite Asụsụ Igbo na-agakwara ndị nkuzi, ndị okammụta Igbo, Ndị ụlọọrụ mgbasa ozi, ndị ụlọọrụ mbipụta akwụkwọ na ndị gọọmenti. Anyị na-enye ndị ọba ego CBN ozi ekele maka echiche ọma ha ide ọnụ ego n'asụsụ dị iche iche nke gụnyere Igbo. Akwụkwọ ego ndị a gụnyere Naịra Ise, Naịra Iri,Naịra Iri Abụọ na Naịra Iri Ise. Ekele na agbamume ga-adịrị ndị Igbo Scholars Forum Forum maka mbọ ha n'ịkwalite odidde Igbo sjte na jọnal ha dị iche iche. Aka ọrụ ndị Igboanwụ, Ụwandịigbo, na PILA kwesiri nṅomi.

**Edensibịa**

Agbedo, C.U. (2007). Problems of Multilingual Nations: The Nigerian Perspective. Nsukka: ACE Resources Konsults.

Bodomo, A.B.(2011). “On Language and Development in Africa: The Case of Ghana”.From http://www.ghanaweb.com/GhanaHomePage/features/artikel.php?ID=19656 on 21/03/11.

Ejiọ fọ , P. (2011). “Oche Ndị Igbo Bunyere Asụsụ Igbo”. A Lead Paper Presented At Oche Ndị Igbo Bunyere Asụsụ Igbo Conference Organized by the Institute of African Studies, University of Nigeria, Nsukka from May 17 – May 24 ,2011.

Eze, M.A. (2011). “Indigenous Knowledge and Igbo Linguistic Formation: Review of Igbo Writing Systems”. A Paper Presented at Writing in Nigerian Languages Workshop organized by the Institute of Nigerian Languages,University of Nigeria, Aba Campus from 2nd to 5th May.

Fullbright U.S. Government Sponsored Scholarship Programs Handbook (2011). Department of State, United States of America.

Ohaegbu, A. U. (2010). “Language and Issues in Igbo Language Development”. A keynote Address delivered at the 5th Annual Conference of Igbo Studies Association (ISA), 12th – 15th October, 2010.

Ọnụkawa, M.C. (2011). “Writing in the Igbo Language: Standards and Trends”. A Paper Presented at Writing in Nigerian Languages Workshop organized by the Institute of Nigerian Languages, University of Nigeria, Aba Campus from 2nd to 5th May.

Society for the Promotion of Igbo Language and Culture (n.d.). Recommendations of the Igbo Standardization Committee of the Society for the Promotion of Igbo

Language and Culture.(SPILC).
Ụgụrụ, J.O (2007). "Scientific Study of Language for National Development". In Anasiudu, B.N. et al. (eds.) Language and Literature in Developing Countries. Pp103-113. Onitsha: Africana- First Publishers Ltd.